# NTỤCHA ASỤSỤ EKPEMEKPE ỌDỊNALA NA NKE ỤKA KRAỊST NA NSUGBE

**EDITH U. NWOBU, PhD**
**Department of Igbo, African & Communication Studies**
**Nnamdi Azikiwe University, Awka**
eu.nwobu@unizik.edu.ng
**&**
**ONYINYE S. ONYEOBI**
**Department of Igbo, African & Communication Studies**
**Nnamdi Azikiwe University, Awka**
onyeobionyinye@gmail.com

**Ụmịedemede**
Nchọcha a gbasara ntụcha asụsụ ekpemekpe ọdịnala na nke ụka Kraịst na Nsugbe. Asụsụ bụ otu ụzọ mmadụ na mmadụ ma ọ bụ mmadụ na mmụọ si enwe mmekọrịta. Amaghị ma ọ bụ nghọta okwu dị iche iche otu ekpemekpe ji eme ofufe na-eweta nghọtahie n’etiti ndị otu ekpemekpe dị iche iche. Nke a mere ndị nchọcha ji họrọ isiokwu a iji kọwaa ụfọdụ okwu ndị ekpemekpe ọdịnala na nke ụka Kraịst ji arụ ọrụ, ka ndị mmadụ wee ghọta nke ọma ihe ha na-ekwu mgbe ha ji okwu ndị a eme ofufe. Nke a ga-ebelata nghọtahie na-apụta n’etiti ndị ekpemekpe ọdịnala na ndị ụka. Ebumnobi nchọcha a bụ ịchọpụta okwu Igbo dị iche iche e ji arụ ọrụ n’usoro ekpemekpe abụọ a a na-atụle ma tụchaa ha iji zipụta mpụtara ha. Nchọcha e mere bụ nke nkọwa, e jikwa atụtụ nkwukọrịta okwu agbụrụ na omenala (Ethnography of Communication) nke Dell Hymes tụpụtara n’afọ 1964 mee ntụcha. E dekọpụtara mkpụrụokwu ndị ekpemekpe ọdịnala na ndị ụka Kraịst ji arụ ọrụ. A chọpụtara na okwu ndị na-ezipụta ihe onye bụ ma ọ bụ ihe onye na-arụ na-egosipụta otu echiche n’usoro ekpemekpe ọdịnala na nke ụka Kraịst. Nchọpụta ọzọ sitere na ntụcha okwu njiarụ ekpemekpe ndị a gosiri na usoro ekpemekpe ọ bụla kwenyere na ọ bụ Chukwu ka ha na-enye ofufe. Nchọcha a ga-abara ọhaneze uru n’ihi na ha ga-ahụ nzipụta okwu Igbo ndị e ji arụ ọrụ n’usoro ekpemekpe ndị a tụlere ma mata mpụtara ha. Nchọcha a ga-abụkwa mgbado ụkwụ maka ndị chọrọ ime nchọcha n’isiokwu dị ka nke a.

## 1. Mgbakwasa Isiokwu

N’agbanyeghị na ndị Igbo na-agbaso ụdị ekpemekpe masịrị ha, ndị mmadụ ka na-ezipụta mgbagwoju anya n’usoro ekpemekpe abụọ ndị a. Ebe ndị ekpemekpe ọdịnala na-ekwu na ndị ụka Kraịst na-aghọgbu ndị na-eso ha, ndị ụka Kraịst na-ahụta okwu ụfọdụ ndị ekpemekpe ọdịnala ji eme ihe dị ka okwu rụrụ arụ. Ụfọdụ na-ahuta asụsụ ekpemekpe ọdịnala dị ka asụsụ anaghị enye Chukwu otito. Ụfọdụ kpebiri na ọ bụ naanị ndị ekpemekpe Kraịst nwere ezi usoro ekpemekpe nke Chineke nabatara. Nke a mere ndị nchọcha ji kpebie ịbagide na nchọcha a iji tụchaa asụsụ ekpemekpe ọdịnala na nke ụka Kraịst dị ka ọ dị na Nsugbe iji wepụ ọgbaaghara na-adapụta n’etiti ndị omenala na ndị ụka Kraịst n’ihi enweghị nghọta asụsụ e ji eme ofufe.

Asụsụ e ji eme ihe n’usoro ekpemekpe ọ bụla na-egosi nkwenye, omenala na nsirihụndụ ndị. A bịa n’ekpemekpe ọdịnala na nke ụka Kraịst, tụmadị na Nsugbe, asụsụ ha ji eme emume aja anaghị ezipụta naanị mkpụrụokwu ekpemekpe kama ọ na-ezipụtakwa akụkọ gbasara ndị kwenyere na nke ọ bụla. N’ekpemekpe ọdịnala asụsụ na-egosi usoro obibi ndụ na nnwachapụta ndị. Ofufe na-agụnyekarị abụ ọdịnala nke na-ewebata ilu, ngụgọ na mkpọku nke sitere n’ọgbọ fee n’ọgbọ. Mkpụrụokwu ndị a na-ejuputa na ngosi. A na-ejikwa ha akwanyere arụsị dị iche iche, ndị ichie na mmụọ dị iche iche ugwu. Nke a na-apụta ìhè oge ndị isi nchụaja arụsị na-abụ abụ, agọ ngụgọ, ekwu okwu oge ha na-eme emume nchụaja.

Ekpemekpe ụka Kraịst na Naịjirịa nke si n’aka ndị ọcha wee bịa webatara mkpụrụokwu ọhụrụ n’usoro ekpemekpe. Nke a na-eme na ndị mmadụ ghara ịna esonye. Dị ka oge gara, e were asụsụ obodo na-eme ofufe iji mee ka ndị mmadụ ghọta ihe a na-ekwu na ihe a na-eme. Nke a mere e ji nwee ụdị mkpụrụokwu ọhụrụ dị iche iche n’ofufe nke jikọrọ okwu akwụkwọ nsọ na nzipụta ọdịnala dị iche iche.

Nghọta mkpụrụokwu ofufe ndị a dị ezigbo mkpa maka ịghọta ihe omimi ekpemekpe n’obodo anyị. Ọ na-egosi etu asụsụ si bụrụ ngwaọrụ mkpakọrịta ime mmụọ na usoro nzipụta omenala na njirimara ndị. Nchọcha a bu n’obi ileba anya n’ihe ndị a site n’ileba anya na mpụtara okwu dị iche iche ndị ekpemekpe ọdịnala na ndị nke ụka Kraịst ji eme ofufe site n’ịdabere n’atụtụ nkwukọrịta okwu agbụrụ na omenala. E nwetara ngwa ntụcha site n’ịga n’ụlọ ụka na okwu arụsị dị iche iche wee dekọta okwu ndị ha ji eme ofufe. A gbakwara ndị nchụaja na ndị nsonye nọ n’ebe ofufe ndị a ajụjụ ọnụ.

Nchọcha a gbadoro ụkwụ n’obodo Nsugbe. Nsugbe so n'otu obodo dị n'okpuru ọchịchị Anambra Isti. Nsugbe bụ obodo iteghete mejupụtara ya (Amagu, Abba Offianta, Akpalagu, Ogwuari, Agbalagbo, Enugwu, Nnadi, Amumu). A bịa n'ime obodo iteghete a, ha gbara ibe atọ: Ezi Nsugbe, Ikenga, Ifite. Ezi Nsugbe: Abba, Offianta, Enugwu, Amumu, Nnadi; Ikenga (Amagu) Ifite: Ogwuari, Agbalagbo, Akpalagu. Aha bụ "nsugbe" bụ

na "nzugbe" ka ọ siri pụta nke pụtara ịbịakọ ọnụ. Ya mere, nchọcha a ga-ezipụta ma tụchaa okwu dị iche iche ndị e ji eme ofufe n'ekpemekpe ọdịnala na nke ụka Kraịst.

## 2. Ntụleghari agụmagụ

Ebe a ka e lebara anya n'ihe ụfọdụ ndị ọkammụta derela nke metụtatara isiokwu nchọcha a.

### 2.1 Nkọwa Ọkpụrụkpụ Ọkwụ Ụfọdụ

**Asụsụ**

Asụsụ bụ ụzọ ahụ mmadụ chepụtara ka e were na-ezteipụta echiche, mmetụta ahụ na ebumnobi, nke na-esite na mkpọụda ma ọ bụ ederede dị iche iche apụta (Anagbaogu, Mbah na Eme, 2010). Ihe nke a pụtara bụ na ọ bụ site n'asụsụ ka mmadụ nwere ike izipụta echiche ma ọ bụ nkwenye ya. Okafo na Udoka (2012) kwadoro echiche a site n'ikwu na asụsụ bụ usoro mmadụ na ibe ya si ekwurịta ma na-agwarịta ibe ha ihe ha chọrọ ka ha mata. N'aka nke ya, Ofomata (2012) mere ka a mata na ọ bụrụ na asụsụ adịghị, mmadụ na ibe ya inwe mmekọrịta ga-ahịa nnukwu ahụ. Nke a pụtara na ekpemekpe nke bụ nzikọrịta ozi n'etiti mmadụ na ihe anaghị ahụ anya agaghị adị ma ọlị.

**Ekpemekpe**

Ekpemekpe bụ nghọta ma ọ bu echiche, nkwenye, ofufe, okwukwe, nkwanye ugwu nke na-esi na mmadụ agaara ihe kere ya, ma ọ bụ ihe ka ya ike, ọ bụ mmadụ ikwere na enwere ihe ka ya ike ma ọ bụ ụzọ mmadụ ga-esi na-ejikwuru ihe ka ya ike. Ekpemekpe nwere ụdịdị ya dị iche iche, ekpemekpe Kraịst, ekpemekpe ọdịnala, ekpemekpe alakụba, ekpemekpe hidus. Ojiekwe (2020) sị na ekpemekpe bụ mkparitụka ma ọ bụ mmekọrịta na-apụta ihe n'etiti mmadụ na mmụọ. Ekpemekpe dị n'ala Igbo bụkarị ekpemekpe ọdịnala na nke Kraịst. Ekpemekpe ọdịnala bụ ụzọ ọdịnala ndị Igbo na chi ha ji enwe mmekọrịta. Nke a bụ naanị ụdị ekpemekpe dị n'ala Igbo tupu ndị ọcha abịa. N'aka nke ọzọ, ekpemekpe Kraịst bụ ụdị ekpemekpe batara n'ala Igbo oge ndị ọcha bịara. Nke a ka ha kọwara bụ naanị ụzọ mmadụ na Chineke nwere ike iji nwee mmekọrịta. Ọtụtụ ndị Igbo gbasoro ụzọ a mana ọtụtụ ndị ọzọ ka na-eso ụzọ ekpemekpe ọdịnala.

### 2.2 Atụtụ Njirimee Nchọcha

Atụtụ a họọrọ iji mee nchọcha a bụ atụtụ nkwukọrịta okwu agbụrụ na omenala (Ethnography of Communication) nke Dell Hymes tupụtara n'afọ 1964 n'edemede ya ọ kpọrọ "Introduction: Toward Ethnographies of Communication". Ebumnobi atụtụ a bụ nke kwụdosiri ike n'ichọpụtagasi usoro dị iche iche ndị mmadụ ma ọ bụ agbụrụ dị iche iche si e ji asụsụ eme ihe, nke na-enyere ha aka n'otu ha tụmadị mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Atụtụ a na-ekwu na mkparịta ụka ga-enweriri nghọta n'ime otu omenala ma ọ bụ n'otu ọ batara karịa n'ịkwụrụ onwe ya. Ọzọ bụ enwemike ndị mmadụ iji asụsụ rụọ ọrụ nke ọma n'ọgbakọ dị iche karịa naanị ịma ụtọasụsụ. Ọ na-ahapụ usorookwu tụchaa ihe mere na etu e si eji asụsụ eme ka e nwee udo na njirimara n'obodo. Nke a mere atụtụ ji dabaa nke ọma na nchọcha a.

## 4. Ntụcha Ngwa Nchọcha

N'ebe a ka e zipụtara okwu Igbo dị iche iche e ji eme ofufe n'usoro ekpemekpe ụka Kraịst na nke ọdịnala. A gara n'ihu tụchaa okwu ndị a iji zipụta nghọta miri emi ha nwere n'ebe ndị na-eji ha arụ ọrụ nọ.

**4.1 Okwu Igbo e ji eme Ofufe**
**Okwu Ofufe Ndị Ụka Kraịst**
**Ụka Katoliki**

| S/N | Igbo | Bekee | Mpụtara |
|---|---|---|---|
| 1 | Fada | Priest | Onye e chiri echichi idebe ofufe |
| 2 | ofufe | mass | Mgbe ụkọchukwu na ndị ụka bịakọrọ ọnụ ime ofufe. |
| 3 | oriri nsọ | communion | Achịcha na mmanya ụkọchukwu na-enye ndị bịara ofufe dị ka ahụ na ọbara Kristi. |
| 4 | nkwuputa | confession | ikwuputa mmehie e mere |
| 5 | mmiri nsọ | holy water | Ụkọchukwu jị ya agọzi ndị bịara ụka ma ọ bụ ndị pụtara nye onyinye. |
| 6 | efere nri nsọ | paten | Nke a bụ efere ụkọchukwu jị enye ndị bịara ịnata oriri nsọ. |
| 7 | iko nsọ | chalic | Iko ụkọchukwu ji agbanye mmanya e ji eme ofufe, a na-esuru achịcha na ya enye ndị bịara ịnata oriri. |
| 8 | akwụkwọ ekpere ụka | missal | Nke a bụ Akwụkwọ e ji agụpụta okwuchukwu banyere isiokwu a chọrọ ileba anya. |
| 9 | igbe nri Nsọ | Eucharist | Nke a bụ igbe e ji etinye achịcha. Mgbe ọ bụla e buliri ya elu, ọ na-egosi na Kraịst nọ ebe ahụ. |
| 10 | ndị nsọ | saints | Onye a na-ele anya dị ka onye dị nsọ nke ga-aga elu igwe oge ọ nwụrụ. |
| 11 | mmanụ nsọ | Chrism | Mmanụ ụkọchukwu ji agọzi ndị bịara ụka, site n'ite ha ya n'egedege ihu ha. |
| 12 | uwe ọcha | Alb | Akwa ọcha ụkọchukwu na-eyi na-ahụ mgbe ọ bụla a chọrọ ime ofufe. |
| 13 | akpa isi ngọzi | thurible | Igbe e ji etinye isi okike, ma fegharịchaa ya ebe niile iji gosiputa na-ekpere anyị eruola eluigwe. |
| 14 | igbe ngosi nri nsọ | monstrance | Mgbe ọ bụla ebuliri ya elu, ọ na-egosiputa mmekọrịta ndị uka na Kraịst tumadu Idi aso. |
| 15 | ebe ntaramahụhụ | purgatory | Ebe ndị nwụrụ anwụ na-anọ a na-eme ekpere n'isi ha tupu ha abaa elu-igwe. |
| 16 | mmiri Chukwu | Baptism | Nke a bụ mmiri Chukwu a na-eme, ụmụaka amụrụ ọhụrụ iji soro na ndị otu Kraịst. |

**Ụka Siemesị**

| S/N | Okwu Igbo | Bekee | Mpụtara |
|---|---|---|---|
| 1 | etiti ụlọ ụka | nave | Etiti ụlọ ụka ebe ndị bịara ụka na-anọ mgbe a na-eme ofufe. |
| 2 | ebe nkwado na ndebe ngwa ofufe | sacristy | Ebe ndị ụkọchukwu na ndị enyemaka ha na-edebe ngwa ofufe ma na-anọ akwado ofufe. |
| 3 | akwụkwọ abụ ọma | psalter | Akwụkwọ abụ ndị ụka na-eji ya esonye mgbe ọ bụla a na-agụ abụ. |
| 4 | oriri nsọ | communion | Achịcha na mmanya ndị ụka na-anata iji dị ka ahụ Kraịst. |
| 5 | abụ ọra mmadụ | hymn | Abụ ekpere ndị ụka na-ekwe mgbe ọ bụla oge ya ruru. |
| 6 | ebe ịchụ aja | altar | Ebe ụkọchukwu na-anọ ezipụta achịcha na mmanya tụmadị ekpere a na-ekpe tupu a nata ya. |
| 7 | nri nsọ | eucharist | Achịcha ndị ụka na-anata. |
| 8 | abụ ọma | psalm | Akụkụ akwụkwọ nsọ |
| 9 | ekpere arịrịọ | supplication | Ekpere ndị ụka na-ekpe iji rịọ Chukwu ihe dị ha mkpa |
| 10 | onye enyemaka ụkọchukwu | acolyte | Onye na-enyere ụkọchukwu aka oge a na-eme ofufe. |
| 11 | onye nkuzi ụka | church teacher | Onye na-ezi ndị ụka ihe ozizi |
| 12 | akwụkwọ ozi | epistle | Akwụkwọ oziọma Paul degaara ndị na-eso ụzọ Kraịst. |
| 13 | ìtè ísì | thurible | Ite e ji efegharị ịnsensị iji bugara Kraịst ekpere. |

| | | | |
|---|---|---|---|
| 14 | iko mmanya nsọ | chalic | Nke a bụ iko e doro nsọ e ji etinye ngosi ọbara Kraịst. |
| 15 | efere nri nsọ | paten | Efere e ji etinye achịcha, ukochukwu na-enye ndị uka |
| 16 | ụkọchukwu | priest | Ukochukwu bụ onye etere mmanụ, na-anochite anya uka tumadu bụrụkwa onye nziputa ofufe. |

**Ụka Akụrụaka**

| S/N | Okwu ofufe | Bekee | Mpụtara ha |
|---|---|---|---|
| 1 | ịsụ n'ire | speaking in tongues | iji asụsụ mmadụ amabughị wee na-ekpe ekpere |
| 2 | otito | praises | Abụ e ji enye Kraịst ekele |
| 3 | nzukọ ndị kwere ekwe | fellowship of believers | Nke a bụ ndị kwere na Kraịst ibiako ọnụ nwee ofufe. |
| 4 | onye agha ekpere | prayer warrior | onye na-ekpe ekpere nke ọma |
| 5 | akụkọ ọgbụgba ama | testimony | Ihe ebube Chukwu meere mmadụ |
| 6 | onye ọzụzụ atụrụ | pastor | Onyeisi nchụaja n’ụlọ ụka |
| 7 | ndị amụma | prophets | Ndị na-ebu amụma n’ụlọ ụka |
| 8 | mgbasa oziọma | evangelism | ịgwa ndị mmadụ maka Kraịst |
| 9 | onyinye | offering | Nke a bụ onyinye a na-enye mgbe a na-eme ofufe iji kelee Chineke. |
| 10 | otu ụzọ n’ụzọ iri | tithe | Nke a bụ otu ụzọ ma e kee ihe mmadụ nwetere ụzọ iri. |
| 11 | ọmụmụ akwụkwọ nsọ | Bible study | Nke a pụtara ịgbakọta iji mụọ akwụkwọ nsọ. |
| 12 | nnapụta | deliverance | Nke a bụ ịnapụta mmadụ pụọ n’ihe ọ bụla na-emekpa ya ahụ. |
| 13 | nzọpụta | salvation | Nnwere onwe pụọ na mmehie. |
| 14 | Mmụọ nsọ | Holy spirit | mmụọ Chineke |
| 15 | ọgwụgwọ | healing | Nnwere onwe pụọ n’ọrịa |
| 16 | oku nzọpụta | altar call | Nke a bụ mkpọpụta a na-akpọpụta ndị chọrọ inye Kraịst ndụ ha. |

**Okwu Ofufe Usoro Ekpemekpe Ọdịnala**

| S/N | Okwu Igbo | Bekee | Mpụtara mkpụrụokwu ndị a |
|---|---|---|---|
| 1 | dibịa afa | seer/prophet | Onye agwụ mara na-ahụ ọhụ |
| 2 | ịchụ aja | Sacrifice | Nke a bụ onyinye mmadụ na-enye arụsị/chi ka o wee nye ya ihe ọ chọrọ. |
| 3 | mmụọ | spirit | Mụọ ndị dibia na-ehunyere aja |
| 4 | ngụgọ | incantation | Nke a bụ okwu dị iche iche dibịa na-ekwu mgbe ọ na-eme ofufe. |
| 5 | ndịichie | ancestors | Ndị nna nna anyị nwụrụ anwụ a na-ehunyere aja. |
| 6 | okwu arụsi | shrine | Ebe ofufe e debere ngwa dị iche iche e jị eme ofufe. |
| 7 | ịgba afa/ịjụ ese | divination | Nke a bụ usoro ndị ekpemekpe ọdịnala si ebu amụma. |
| 8 | onye nchụ aja | priest | Nke a bụ onye na-enye arụsị nri ma na-agwa ndị mmadụ ihe arụsị na-ekwu. |
| 9 | ọfọ | sacred staff | E ji ya ezipụta ikike, eziokwu na ikpe nkwụmọtọ. |
| 10 | arusị/chi | deity | mmụọ a na-ehunyere ofufe |
| 11 | nghụcha | cleansing | Purification from every uncleaness |
| 12 | ịgọ mmụọ | invocation of the spirit | Ikpoku mmụọ dị iche iche mgbe dịbia ma ọ bụ okenye na-eme ekpere di ka, ogwugwu Amagu, nne nwaanyị Ijele, Iyi ojii,oliolio. |
| 13 | agwụ | spirit of divination | Nke a bụ mmụọ na-ahụ maka amụma |
| 14 | egbe mmụọ | spiritual gun | Nke a bụ egbe a na-agba iji zie ozi na mmụọ |
| 15 | ekwensu | spirit of war | Nke a bụ mmụọ na-ahụ maka agha ma ọ bụ akpamike. |
| 16 | okpesi | a carved wood | Osisi a pịrị apị e ji anọchite anya ndị ichie |

**4. Ntụcha na Mpụtara Okwu Ofufe Ndị a**

Ọ bụrụ na e lee okwu ndị a e ji eme ofufe site n'ugegbe atụtụ nkwukorita okwu agbụrụ na omenala nke Dell Hymes, a gazịghị ahụta ha naanị dị ka nkọwa okwu si kọwapụta ha, kama n'ụdị etu, mgbe na ihe kpatara e ji were arụ ọrụ n'ebe ofufe ndị a ga. Ntụcha ha ga-egosi nke a.

**Ekpemekpe Ụka Kraịst**

1. Ụkọchukwu/onye nchụ aja
   Ebe: ụlọ ofufe
   Ndị nsonye (participants): ndị bịara inwe ofufe
   Nzipụta: Ọ na-ewube ogo ikike, nsọpụrụ na ikike dị asọ.
   Usoro ọrụ: Ụkọchukwu na-edu ekpere, ngọzị, achụmaja na odudo nsọ. Onye nchụ aja na-eme otu ihe ahụ n'ụzọ ekpemekpe ọdịnala. Ndị ọ bụla na-eji nke ha chọrọ arụ ọrụ n'ihi na ha kwenyere otu ihe.
   Omenala: Naanị ndị a họọrọ ka a na-enye ohere dị etu a.
   Ọdịdị: mkparịta ekpemekpe, aha echichi
2. onyinye/aja
   Ebe: ụlọ ofufe
   Ndị nsonye: Ndị ekpemekpe, ndị nhazi, ndị ụkọ na-agọzị, Chineke ma ọ bụ chi a na-ehunyere dị ka ngosi onye nnara
   Nzipụta: ekele
   Usoro ọrụ: abụ, nkwe, nnakọta, ekpere ekele na arịrịọ
   Omenala: A na-atụ anya ya n'aka ndị ekpemekpe, onye ọ bụla na-eweta okere o nwere iji gosi afọ ojuju na iji nata ihe ọ na-arịọ.
   Ọdịdị: Onyinye nchụaja
3. ekpere/arịrịọ
   Ebe: ụlọ ofufe, ebe niile
   Ndị nsonye: onye ọ bụla
   Nziputa: inwe mmekọrịta, ịgwa Chineke ma ọ bụ mmụọ a na-ekpere okwu
   Usoro ọrụ: ekele, aririo, otito
   Omenala: ndị bịara ofufe na-arịọ chi ha na-ehunyere ofufe ihe ha chọrọ. Tupe ha emee nke a, ha na-ebu ụzọ kelee ekele maka ihe ndị ha natarala.
   Ọdịdị: ekpere ekele, ekpere arịrịọ
4. Mmụọ Nsọ/agwụ
   Ebe: ụlọ ofufe, ebe niile
   Oge: oge ofufe, oge mmụọ bịakwasịrị onye amụma
   Ndị nsonye: ụkọchukwu, onye nchụ aja ma ọ bụ dibịa
   Nziputa: Mmụọ e ji eje ozi
   Usoro ọrụ: mmụọ e ji eje ozi na-abịakwasị onye o ji kwara ngwa ọrụ.
   Omenala: N'ekpemekpe ụka Kraịst, e kwenyere na ọ bụ Mmụọ Nsọ kacha mmụọ niile. Nke a pụtara a ọ bụ site n'ike Mmụọ Nsọ ka ndị nke Kraịst ji eme ihe ọ bụla ha na-eme. N'aka nke ọzọ ndị ekpemekpe ọdịnala kwenyere na ọ bụ agwụ bụ mmụọ na-ahụ maka amụma na ahụm ihe niile zoro ezo.
   Ọdịdị: ike karịrị mmadụ
5. Ndị nsọ/ndị ichie
   Ebe: ebe niile
   Ndị nsonye: ndị ekpemekpe na ezinụlọ
   Nziputa: ndị biri ndụ n'ezi omume bụ lagoro mmụọ
   Usoro ọrụ: nchekwa, ndị na-ebuga Aririo n'aka Chineke.
   Omenala: A na-ehunyere ha ekele na arịrịọ.
   Ọdịdị: ndị biri ezi ndụ
6. Ụlọ ụka/okwu arụsị
   Ebe: ebe ofufe
   Ndị nsonye: ụkọchukwu, dibịa, ndị nchụaja na ndị ekpemekpe
   Nziputa: Ọnọdụ mmụọ a na-ehunyere ofufe
   Usoro ọrụ: ịchọ ndụmọdụ, ikpọku Chukwu ma ọ bụ mmụọ, ichụ aja.
   Omenala: Ebe a na-anọ ehunyere Chukwu ma ọ bụ mmụọ a na-akpere ofufe.
   Ọdịdị: Ebe nzikọrịta ozi
7. Ibu amụma/ịgba afa
   Ebe: ụlọ ofufe, ebe niile
   Ndị nsonye: ndị amụma, dibịa afa, ndị ekpemekpe
   Nziputa: ịmata ihe zoro ezo
   Usoro ọrụ: ikwu a hụrụ na mmụọ

Omenala: ịmata ihe nzuzo ma ọ bụ ihe dị n'ihu
Ọdịdị: nzipụta ihe zoro ezo

8. akụkọ ọgbụgba ama
Ebe: ebe ofufe, ebe niile
Ndị nsonye: ndị otu ekpemekpe, ndị nchụaja
Nziputa: Akụkọ gbasara ihe ọma a natara
Usoro ọrụ: ikwuputa ihe ọma merenụ
Omenala: onye ọ bụla e meere ezi ihe na-ekwuputa ya
Ọdịdị: nkwuputa, ịkpa ama

**Mpụtara**

E lee anya n'okwu ụfọdụ e depụtara n'elu, a ga-achọpụta na ụfọdụ na-enye otu nghọta n'usoro okpukperichi abụọ ndị a tụlere. A ga-ahụkwa na okwu ndị na-eziputa ihe onye bụ ma ọ bụ ihe onye na-arụ na-ezipụta otu echiche n'usoro ekpemekpe ọdịnala na nke ụka Kraịst n'agbanyeghị na ọ bụghị ofu ụdị mkpụrụokwu ka ekpemekpe abụọ a ji ezipụta echiche ndị ahụ. Atụtụ e ji rụ ọrụ nyere aka ime ka a ghọta ihe ụfọdụ gbasara okwu ndị a dị ka ebe ha na-apụta ìhè, ndị na-eme ihe, ọrụ ha, omenala ha na ụdịdị ha di iche iche. Ihe ọzọ a ga-ahụta bụ na a bịa n'okpukperechi, ndị Igbo kwenyere na o nwere onye ka mmadụ bụ onye ha na-ehunyere ofufe, ya bụ Chukwu. Ha kwenyekwara na onye a ka mmadụ nwere ndị na-ejere ya ozi dị ka ndịiche na mmụọ dị iche iche. Site n'okwu e ji eme ofufe n'ekpemekpe abụọ a tụlere, o doro anya na ọ bụ otu nkwenye a ka usoro ekpemekpe ọdịnala na nke ụka Kraịst na-ezipụta.

**5. Nchịkọta Nchọpụta Nchọcha**

Na nchọcha e mere, a depụtara ọtụtụ mkpụrụokwu a na-eji arụ ọrụ n'ekpemekpe ọdịnala na nke ụka Kraịst. Site na ntụcha ngwa nchọcha e mere, a chọpụtara na okwu ndị na-eziputa ihe onye bụ ma ọ bụ ihe onye na-arụ na-ezipụta otu echiche n'usoro ekpemekpe ọdịnala na nke ụka Kraịst n'agbanyeghị na ọ bụghị ofu ụdị mkpụrụokwu ka ekpemekpe abụọ a ji ezipụta echiche ndị ahụ. Nchọpụta ọzọ bụ na a bịa n'okpukperechi, ndị Igbo kwenyere na o nwere onye ka mmadụ bụ onye ha na-ehunyere ofufe, ya bụ Chukwu. Ha kwenyekwara na onye a ka mmadụ nwere ndị na-ejere ya ozi dị ka ndịiche na mmụọ dị iche iche. Site n'okwu e ji eme ofufe n'ekpemekpe abụọ a tụlere, o doro anya na ọ bụ otu nkwenye a ka usoro ekpemekpe ọdịnala na nke ụka Kraịst na-ezipụta.

**6. Mmechi**

Nchọcha a gbalịrị ịtụcha mkpụrụokwu dị iche iche e ji arụ ọrụ n'ekpemekpe ọdịnala na nke ụka Kraịst, site n'iji obodo Nsugbe mee ebe mgbasa ụkwụ. Nke a bụ iji wepụ nghọtahie na-adapụta n'etiti ndị ekpemekpe ọdịnala na ndị ụka Kraịst. Ntụcha a na-egosi na asụsụ ofufe abụghị naanị iji gosi nkwenye ekpemekpe, kama ọ bụkwa usoro nzikọrịta ozi dabeere n'omenala ndị mmadụ ma na-ahazi nsonye, na-egosipụta nkwenye izugbe na njirimara obodo. Site n'ekpere, ngụgọ, ozi, ịgba ama na nzipụta ofufe dị iche iche, ndị nsonye na-agbaso ọdịdị mkpụrụokwu gbadoro ụkwụ n'ihe e ji mara obodo, olileanya na nnọchite mpụtara ebe ofufe.

Nchọpụta na-egosi na usoro nzikọrịta ozi na usoro ekwumokwu a na-ahụ n'asụsụ bụ ihe na-achị mkpakọrịta na-ewere ọnọdụ n'ekpemekpe dị iche iche. Usoro ndị a na-egosi ihe dị mkpa na nsirihụwa obodo a na-eme ekpemekpe na ya. Ihe ọ pụtara bụ na mkparịta ofufe abụghị naanị maka izi ekpemekpe kama ọ bụkwa iji mee ka e nwee udo na njirimara n'etiti ndị okpukperechi dị iche iche. Site n'atụmatụ e ji rụọ ọrụ, nchọcha a na-egosi mkpa ịmụ asụsụ site n'ịdabere n'atụmatụ nkwukọrịta okwu agbụrụ na omenala. Ihe ọmụmụ a na-etinyeso na nchọcha dị adị gbasara sayensị asụsụ mmekọrịta mmadụ na ibe ya site n'igosi na asụsụ ekpemekpe bụ njikọtara asụsụ, omenala na nghọta òtù.

**Edensibịa**

Anagbogu, P. N., Mbah, B. M, & Eme, C. A. (2010). *Introduction to Linguistics*. Awka: Amaka Dreams Publishers.

Hymes, D. (1964). Introduction: Toward Ethnographies of Communication. Retrieved from https://anthrosource.onlinelibrary.wiley.com/doi/10.1525/aa.1964.66.suppl_3.02a00010

Ofomata, C. O. (2012). *Fundamentals of general linguistics*. Enugu, Nigeria: CIDJAP Press.

Ojiekwe, A. (2020). *Religion in Igbo Society: Continuity and Change*. Owerri: Prime Academic Press.

Okafo, C. U, & Udoka, E. (2012). *Nhazi Asụsụ Igbo maka ule Sinio Sekondiri na Kọleeji, WASSCE, NECO, GCE, JAMB*. A. C. Global Publishing Co. (Nig). Onitsha, Anambra.

Okodo, I. C. (2022). *Culture and identity in contemporary Igbo society*. Nsukka: University of Nigeria Press.